**JOINT UNIVERSITIES PRELIMINARY EXAMINATIONS BOARD**

SEPTEMBER 2020 EXAMINATIONS

JUPEB/012

**IGBO** **ART – J124** **Time Allowed: 3 Hours**

**SECTION A: MULTIPLE CHOICE QUESTIONS**

Answer all questions in this section.

Use the OMR answer sheet provided to answer the questions. Follow the instructions on the OMR sheet.

**SECTION B: ESSAY QUESTIONS**

Answer FOUR questions; ONE question from each course.

**Please Turn Over**

**SECTION A: MULTIPLE CHOICE QUESTIONS.**

**Answer all questions in this section**.

1. Ndakọrịta ụdaume bụ
   - A. ụdaume esighị n'otu otu bịakọta ọnụ na mkpụrụokwu.
   - B. ụdaume si n'otu otu bịakọta ọnụ na mkpụrụokwu.
   - C. ụdaume si n'otu mfe na otu arọ bịakọta ọnụ na mkpụrụokwu.
   - D. ụdaume agbasoghị iwu ndakọrịta ụdaume.

2. Gosipụta okwu nke bụ 'oke' (rat).
   - A. Óké
   - B. Ókè
   - C. Òkè
   - D. Òké

3. Nke nwere ndapụ mgbochiume na ndị a bụ
   - A. isiike.
   - B. ọsịịsọ
   - C. aụhụ.
   - D. anyanwụ.

4. Họpụta nke dabara n'usoro odide Abidii Igbo.
   - A. g gh gb gw h i
   - B. g gw gb gh h i
   - C. g gb gh gw h i
   - D. g h gw gb gh i.

5. Ụdaume niile nwere ntụpọ n'okpuru bụ
   - A. ụdaume ihu
   - B. ụdaume mfe
   - C. ụdaume arọ
   - D. ụdaume azụ

6. Mgbochiume niile e nwere n'asụsụ Igbo dị
   - A. asatọ n'ọnụọgụ.
   - B. iri na asatọ n'ọnụọgụ.
   - C. iri abụọ na asatọ n'ọnụọgụ.
   - D. Iri atọ na asatọ n'ọnụọgụ.

7. Họta ụdaasụsụ nke e ji egbugbereọnụ ala na eze elu akpọpụta.

A. l.

B. v.

C. gb.

D. m.

8. "Akwụkwọ" nwere nkejiokwu

A. otu.

B. abụọ.

C. atọ.

D. anọ.

9. Nke dapụrụ n'iwu ndakọrịta ụdaume bụ

A. akwụ.

B. oche.

C. ụlọ.

D. agidi.

10. "Ogwumagana" nwere Nkejiokwu

A. anọ

B. ise

C. isii

D. asaa.

11. Họta nke bụ akụkụahụ mmadụ na ndị a

A. ìsì

B. ísí

C. ìsí

D. ísī

12. Họta nke bụ Igbo Izugbe na ndị a

A. mmanụ.

B. manụ.

C. malụ.

D. nmanụ.

13. Nke zipụtara 'uwe' n'okwu Igbo bụ

A. ákwá

B. ákwà

C. àkwá
D. àkwà

14. Depụta 30th n'Igbo.
A. iri atọ
B. iri na atọ
C. iri abụọ
D. nke iri atọ

15. Akwụkwọ a bụ nke gị. Ụbara nnọchiaha dị n'ahịrịokwu a bụ
A. anyị
B. mụ
C. unu
D. ha

16. Olee nke Njikọ dị na  ya n'ime ahịrịokwu ndị a?
A. Nwaanyị a mara mma nke ukwu.
B. Ji na Ede bụ ihe oriri.
C. Ha  na-arụ ọrụubi.
D. Ha na-ete ụlọ.

17. "Ada ataghị azụ." Ahịrịokwu a bụ ọmụmaatụ
A. ahịrịnkwe
B. ahịrịajụjụ
C. ahịrịmmanye
D. ahịrịnjụ.

18. Ahịrịokwu ndị a ji nnọchiaha bido ma e wezuga
A. Ụnụ jere ahịa
B. Ọ laala
C. Ha ga-abịa echi
D. Ugo na-eri nri.

19. 'Pụọ ebe a'. Ahiriokwu a bụ
A. ahịrịntimkpu.
B. ahịrịntimiiwu.
C. ahịrịajụjụ.
D. ahịrịndabe.

20. Họta ahịrịokwu nke nwere mbuụzọ na ndị a.

A. Anyị gara egwu
B. Anyị ga-aga Aba
C. Anyị siri nri
D. Anyị gara n'ebe a na-egwu egwu.

21. Aha ihe ọbụla e nweghị ike iji anya hụ maọbụ metụ aka bụ

A. ahaụdaume.
B. ahaụda.
C. ahauche.
D. ahankwuwa.

22. Ji ahụ buru ibu. 'Ji ahụ' bụ ọmụmaatụ Nkebiokwu

A. keaha
B. kenkọwa
C. kembuụzọ
D. kenrụaka

23. Izu ohi jọrọ njọ. 'Izu ohi' bụ ọmụmaatụ Nkebiokwu

A. kembuụzọ
B. kenkwuwa
C. kemfinitivu
D. kenkwuwa

24. Usorookwu enweghi ngwaa na nghota zuru oke ka a na-akpọ

A. ahịrịokwu
B. nkebiokwu
C. nkebiahịrị
D. mkpụrụokwu

25. Nna ya gara ahịa Ose <u>nke dị n' Onicha</u>. Nke a kara ihe n'okpuru bụ nkebiahịrị ndabe

A. keaha
B. kenrụaka
C. kenkọwa
D. kenkwuwa

26. Gịnị ga-abụ mpụtara nkebiahịrị e tinyere mmejupụta?

A. mkpụrụokwu
B. mmeju

C. ahịrịokwu
D. nkebiokwu

27. Nkebiahịrị ndabe nke na-ezipụta aha ihe a na-ekwu maka ya bụ
   A. kenkọwa
   B. kenrụaka
   C. keaha
   D. kenkwuwa

28. Ilu a bụ "a nyụkọọ mamịrị ọnụ ọ gbọọ ụfụfụ" pụtara
   A. Mmadụ niile kwesịrị ịnyụkọ mamịrị otu ebe
   B. Ọ bụrụ na-achọrọ ka mamịrị gbọọ ụfụfụ e kwesịrị ịnyụ ya otu ebe
   C. E jikọta aka ọnụ mee ihe, ọ mịta ezi mkpụrụ
   D. Mamịrị kwesịrị ịgbo ụfụfụ

29. Ụdị akụkọ na-akọ maka akpamike odogwu hibere obodo ka a na-akpọ
   A. nkọkịrịkọ
   B. nkọmịrịkọ
   C. ụkabụilu
   D. asịniilu

30. Ụdị akụkọ na-akọ maka epumepu agụgụala na mmalite ihe ụwa dị icheiche ka a na-akpọ
   A. ifo
   B. ụkabụilu
   C. nkọmịrịkọ
   D. nkọkịrịkọ

31. Otu n'ime ndị a esoghị n'akwụkwọ akụkọ ifo
   A. *Nza na Obu*
   B. *Ọka Mgba*
   *C. Ihe Onye Metara*
   D. *Ọmalịnze*

32. A hụtara … n'akụkọ Okpoko, Mbe na Ogwumagana gbasara okike ụwa na nghọta ndị Igbo
   A. echenomere
   B. ya mere
   C. nkọkịrịkọ
   D. nkọmịrịkọ

33. Abụ a kpọrọ 'Karo' n'*Abụ na Egwuregwu Ọdịnala* Igbo bụ abụ
    A. otito
    B. ifo
    C. nkọcha
    D. egwuregwu

34. Họta nke bụ abụ agha na ndị a
    A. anụ nwere nku bịa
    B. nzọgbu nzọgbu
    C. bịa taa ọjị
    D. Ọ laa be dị ya

35. 'Nwaanịga oo Nwaanịga, Gịnị mere Nwaanịga?' Nke a bụ ọmụmatụ
    A. abụ ifo
    B. abụ nnwa
    C. abụ ikpe
    D. abụ akwamozu

36. N'abụ a kpọrọ 'Ada Nwaigwe' n'*Abụ na Egwuregwu Ọdịnala* Igbo, ụgbọ e kwuru Ada Nwaigwe na-aba bụ
    A. Ọnịcha
    B. Owere
    C. Ihite
    D. Aba

37. Ọyọkọ okwu na-akpalite mmụọ nke ọgụụ chemiri echiche ime were hazie n'ụzọ o si ekweputa ya bụ …
    A. ejije ọdịnala
    B. abụ ọdịnala
    C. akụkọ ọdịnala
    D. egwuregwu ọdịnala

38. A gụghee ụzọ, a gụghee ọnụ. Ndị be anyị, ọjị abịalanu o. Nke a bụ ọmụmaaụ abụ
    A. ịgọ ọjị
    B. ito mmadụ
    C. iku nnwa
    D. ikpe okwu

39. Nke pụrụ iche n'ihe gbasara mmọnwụ n'ala Igbo bụ
   A. ha na-eme ka ụmụnwaanyị  sie nri abalị n'oge
   B. ha na-enye aka n'ochịchị obodo
   C. ha na-ekpebi ikpe n'obodo
   D. anaghị enye ha nsọpụrụ

40. E bipụtara *Akpa Uche* n'afọ
   A. 1972
   B. 1973
   C. 1974
   D. 1975

41. E jiri abụ ederede Igbo a na-akpọ ______ wee malite n'afọ 1975
   A. *Akpa Uche*
   B. *Nka Okwu*
   C. *Ụtara Ntị*
   D. *Akọbụndụ*

42. Akwụkwo ejije e jiri malite n'afọ 1974 bụ
   A. *Nkemakọlam* na *Ụmụ Ejima*
   B. *Udo  Ka Mma* na *Ụmụ Ejima*
   C. *Omenụkọ* na *Okpa Akụ Eri Eri*
   D. *Obidiya* na *Ọjaadịlị*

43. Aha ọchịagha ndị Ndịkpa bụ
   A. Obiekwe
   B. Ụjọ
   C. Okorọgụ
   D. Ọchanja

44. "Ha ewerela ihe ọjọọ fesachaa ebe niile ka ọghamkpụrụ n'ubi". Ihe ọjọọ gbara elu a na-ekwu maka ya ebe a n'*Udo ka Mma* bụ
   A. ịzọ ala
   B. igbu ọchụ
   C. iti onye chiri echichi ihe
   D. izu ohi

45. Omenala gbara elu n'*Udo ka Mma* bụ
   A. ichi ọzọ
   B. ịñụ iyi

C. ịpụ ebe

D. ịgụ aha

46. 'Nkwụ chara n'ụlọ Madụka, ka anyị chọrọ igbu'. Nkwụ a na-ekwu maka ya ebe a n' *Udo ka Mma* bụ

A. Adakụ

B. Obiọma

C. Adaeze

D. Ego

47. Otu n'ime ndị a esoghị na ndị a gbatakwara na ndị odibo Omenụkọ.

A. Obiọha

B. Elebeke

C. Anọzie

D. Arịsa

48. _____ bụ otu ihe mberede mere ndụ Omenụkọ ji gbanwee.

A. ihe mberede okporo ụzọ

B. ihe mberede okporo igwe

C. ngwa ahịa ya niile danyere na mmiri Igu

D. ụmụ odibo ya danyere na mmiri Igu

49. Otu n'ihe atọ Eze gwara ụmụ ya abụọ ka ha mee iji mata onye ga-abụ eze n'akwụkwọ *Ala Bingo* bụ

A. ịkpụpụta enyi mmiri na ndụ

B. ịkwatu osisi ọjị

C. igbu ọdụm

D. ịkowa ihe kpatara ụmụnwaanyị anaghị agba afọ ọnụ

50. "Ka ihe dịkwara gị mma; ka ndị gị feekwa gị ofufe dị ka i fere m ____" Onye kwuru okwu a na onye a gwara ya n'akwụkwọ *Omenụkọ* bụ _____

A. Omenụkọ gwara Obiọha

B. Omenụkọ gwara Nwabụeze

C. Omemgboji gwara Omenụkọ

D. Omemgboji gwara Okorafọ

**SECTION B: IGBO ESSAY QUESTIONS**

**Answer four questions in all; one from each course**

**IGB 001: FUNDAMENTALS OF IGBO PHONOLOGY**

1. (a) Dee mkpụrụụdaasụsụ Igbo niile, ma tụgharịa ha n'ụzọ fonetiks.
   (b) Were akara fonetik ndị IPA degharịa mkpụrụokwu Igbo ndị a:
      i. akwụ
      ii. okwute
      iii. akwụkwọ
      iv. Chukwu
      v. Mahadum
      vi. ụlọọgwụ
      vii. ahụhụ
      viii. ụkwa
      ix. aṅụ
      x. ọcha. **[15 marks]**

2. (a) Dee ihe ị maara maka ndakọrịta ụdaume n'Igbo (Vowel Harmony).
   (b) Jiri ọmụmaatụ ụzọ anọ masịrị gị gosipụta ebe iwu ndakọrịta ụdaume anaghị adị ire n'okwu Igbo. **[15 marks]**

**IGB 002: FUNDAMENTALS OF WRITTEN IGBO LITERATURE**

3. (a) Gịnị bụ nnọchiaha?
   (b) Were nke ọbụla mee ahịrịokwu. **[15 marks]**

4. Mee nkenụdị ahịrịmfe site n'ịgbado ụkwụ na ndokọ. **[15 marks]**

**IGB 003: FUNDAMENTALS OF IGBO GRAMMAR**

5. (a) Gịnị bụ akụkọ ifo?
   (b) Depụta njirimara ise e ji amata akụkọ ifo **[15 marks]**

6. Dee ihe ị ma maka egwu agha ma depụta abụ agha abụọ. **[15 marks]**

**IGB 004: FUNDAMENTALS OF WRITTEN IGBO LITERATURE**

7. Kọwaa n'ụzọ doro anya, etu e si dozie ikpe ala dị n'etiti ndị Ụmụọbịa na Ndịkpa n'*Udo ka Mma*. **[15 marks]**

8. Gụọ abụ a na-esota ma kọwaa ihe ọ na-ekwu maka ya.

**Ezi Onye Obodo**

Ezi onye obodo __
O nwere ọrụ ọ na-arụ n'onwe ya.
Ọ na-agbata tinye aka n'ọrụ obodo.
Ọ na-edowe gburugburu ya ọcha.

Ezi onye obodo __
Ọ zụrụ ire, kwụsị ya ịkọ asịrị .
O gbochiri aka, nọchie ya iwe nke mmadụ;
Yan a ụkw, ka ọ na-aga etu a chọrọ.

Ezi onye obodo __
O too, ọ chọea udo obodo,
Were akụ ya chọọ ọganihu obodo.
Aha ya ga-abụ aha ebube.

Ezi onye obodo __
Ọ na-ehulata isi nye iwu obodo,
Na-echeta, udo dị,o weta ọdị mma,
Mana ọkpọ aghara, ntụmụrị adighị

Ezi onye obodo __
O fuwe, obodo achọwa ya;
Ọ nwụwa, obodo ana-akwa.
'Ezigbo' bụ aha a na-etu ya.

(J. C. Maduekwe, *Akpa Uche* p. 70)

**[15 marks]**